# EKPERE TESSERA

## EKPERE MBIDO

Na aha Nna, na Nwa, na Mmuo Nso, Amen.

**V.** Bia Mmuo Nso nojuo na obi ndi kwerenu,

**R**. Munye na ime ha oku nke ihunanya gi.

**V.** Ziputa Mmuo Gi ka i kezie ha.

**R**. I ga eme ihu uwa nke a ka o di ohuru.

**Ariro**

O Chukwu onye si n'ihe nke Mmuo Nso wee kuziere obi ndi kwerenu, mee ka anyi si no otu Mmuo ahu nwe ezi uche, na anuri oge nile na ntasi obi Ya site na Kristi Dinwenu anyi. Amen.

**V.** Ngi, o Diwenu m ga ekpguhe onu m

**R.** Ka ire m wee gbasa otito Gi

**V.** Gbata oso nyere m aka O Chukwu

**R.** Oseburuwa gbata oso bia nyere m aka

**V.** Otito diri Nna na Nwa na Mmuo Nso

**R.** Etu o di n'izizi na kita n'ekpo nile n'uwa ebebe. Amen

**Maa ékpechaa Chaplet:**

## EKENE EZE NWANYI DI ASO

Ekene Eze Nwanyi di aso. Nne nke ebere ndu anyi na uso anyi na nchekwube anyi, ekene. Ngi k'anyi bu umu Eve achupuru n'akpoku. Ngi k'anyi na-ézetere ûme, na-eru uru, na ákwa-ákwa n'uwa anya mmiri nke a: Ya bu tugharikene onye na ekwuru anyi, lekwasi anyi anya ebere Gi. Ma ekpo oge nchupu anyi ahu gasiri gosi anyi nwa afo Gi di ngozi bu Jesu. O Nne di afoma, di ihunanya, di uso , Virgin Maria.

**V**. Riobara anyi aririo O Nne nke Chukwu di aso

**R**. Ka anyi wee tosi inata nkwa nke Kristi

**Aririo**

O Chukwu Onye so otu Nwa ya ji ndu Ya, onwu ya na mbilite n'onwu Ya wee gotara anyi nzoputa ebebe, anyi na ario gi ebe anyi na-elo maka ihe omimi nke Rosary nke Végin Maria dikarisiri na aso, ka anyi na-enomi ihe di n'ime ya wee nwetesia ihe e kwere anyi na nkwa site na Kristi Dinwenu anyi. Amen.

V. Obi di aso nke Jesu R. Melu anyi ebere.

V. Obi Maria na eburo njo R. Riobara anyi aririo.

V. Joseph di aso R. Riobara anyi aririo

V. John di aso, onye mgbasa ozioma R. Riobara anyi aririo

V. Louis Maris de Montfort di aso R. Riobara anyi aririo

**CATENA LEGIONIS**

**Antiphon:** ***Kedu nwanyi o bu ya na-aputa dika ututu***, maa mma dika onwa na amukesi dika anyanwu di egwu dika ndi agha kere ògù.

**V**. O na-etò Dinwenu bu mkpuru obi m

**R.** Mmuo m na-anuri ónu na Chuwku onye nzoputa m

**V.** Maka na olego anya na umeala nke odibo nwanyi ya na site tata ndudugandu nile ga-ana akpo m onye di Ngozi.

**R.** Maka na onye ji ike nile arugo nnukwu olu n'ebe m no, aha ya di aso

**V.** Obi ebere ya esigo na ndudugandu féé na ndudugandu maka ndi na aturu ya egwu.

**R.** O gosila ike aka ya, óchusasasiala ndi ngala di na obi.

**V.** O sila na ukpo eze buda ndi nnukwu mmadu, o buliela ndi umeala

**R.** Onyesiri ndi aguu na agu ezi ihe hapu ndi ogalanya enyeghi ha ihe o bula.

**V.** O rolu Isreal odibo ya maka ebere nke ya.

**R.** Dika o si gwa nna anyi Abraham na mkpuru ya ebebe.

**V.** Otito diri Nna na Nwa na Mmuo Nso

**R.** Etu o di n'izizi na kita n'ekpo nile n'uwa ebebe. Amen

**Antiphon:** Kedu nwanyi o bu ya na-aputa dika ututu, maa mma dika onwa na amukesi dika anyanwu di egwu dika ndi agha kere ogu.

**V.** Ó Maria aturu ime ya na ejighi njo

**R.** Riobara anyi bu ndi njo aririo

**Aririo**

O Dinwenu anyi Jesu Kristi, onye na-ekwuru anyi n'ihu nke Chukwu, onye ó soro ime Virgin Maria bu nne ya ka o buruazi nne anyi, onye na-ekwuru anyi na ihu gi, were ebere mee ka onye o bula gbakwutere gi na-acho ogo na aka gi, nwee anuri natasia ha nile site na aka ya, Amen

**Ekpere mmechi:**

**Anyị Agbaba na Nchedo Gị**

Anyị agbaba na nchedo Gị, O Nne nke Chukwu dị asọ, enenịkwana aríró anyị, n'ebe mkpa na-akpa anyị; ma na-azọkwa anyị, n'ihe abụla ihe dị egwu, biko Virgin dị otito na ngọzị. Amen

**V.** Maria na-eburo njo onye nkesa grasia nile

**R.** Riobara anyi aririo

**V.** Michael, Gabriel na Raphael di aso

**R.** Riobara anyi aririo

**V.** Ike nile nke eluigwe, igwe ndi Mmuo Oma nke Meri

**R.** Riobara anyi aririo

**V.** John di aso onye óme mmiri Chukwu

**R.** Riobara anyi aririo

**V.** Peter na Paul di aso

**R.** Riobara anyi aririo

**Aririo**

O Dinwenu anyi, nye anyi ndi nó na òkpuru Maria anu agha, okwukwe zuru ezu na ebe i no, nchekwube na ebe ó no, i nyere aka iji merie uwa, nye anyi okwukwe di ndu ya na ezi ihunanya nke ga enyere anyi aka ilu olu anyi nile sóósó maka ihi ihunanya gi, ya na oge nile ka anyi na-ahu gi na-éfe gi na ébe mmadu íbe anyi nò. Okwukwe siri ike na-enweghi mmerube dika okwute, ka anyi ga esite na ya nwee obi anuri kwusie ike na ime ahuhu nile na oru na nsogbu nile nke uwa. Okwukwe ga enye anyi obi ike mee ka anyi ruputa nnukwu oru maka Chukwu na nzoputa nke mkpulu obi ghara itu uche obula, okwukwe nke ga-amunye oku nke Lijiön anyi, nke ga a na-edukoba anyi onu na-amunye oku nke ihunanya nke Chukwu na ébe nile, na-eme ndi di oyi ka ha di oku, na-eweghachi ndi no na ime njo ndu na-agbazikwara anyi na uzo nke ndokwa, ya bu ogu nke uwa gasia ka ndi Lijiön anyi zukoo ozo ka óghara inwe onye o bula furu efu na ala eze nke ihunanya na otito gi, Amen.

**V.** Ka mkpuru obi ndi Lijiön anyi galu aga, na mkpuru obi ndi nile kwelunu galu aga

**R.** Site na ebere nke Chukwu ka ha zulike ike na ndokwa, Amen.

Na aha Nna, na Nwa, na Mmuo Nso, Amen.